Igboscholars International Journal of IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA Volume 15 No 3, November, 2022. ISSN: 2476-843x

# Ọrụ Ụdaolu nye Mmebemusorookwu Igbo

**[1]Mpamugo, Emmanuel Emenike,**
**Ebonyi State University, Abakaliki, Ebonyi State**
empamugo4@gmail.com

**[2]Nwaoke, Emmanuel Emeka**
National Institute for Nigerian Languages, Aba, Abia State
nwaokebest@gmail.com

**[3]Ogbu, Levi Chibuzo**
Ebonyi State College of Education, Ikwo, Ebonyi State
ogbulevichibuzo@gmail.com

## Ụmịedemede

Igbo bụ asụsụ ụdaolu. Ụdaolu n'aka nke ya na-egosi ndịiche dị n'etiti mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa, nkejiokwu abụọ ma ọ bụ karịa, na ahịrịokwu abụọ ma ọ bụ karịa yitere onwe ha. N'inyocha ụdaolu n'usorookwu, ọ dị mkpa ịtụchapụta ma kọwaa ụdaolu ndịnonwe mkpụrụokwu ga nakwa ihe na-eme ụdaolu mgbe a na-ewube na mgbe e wubere usorookwu ga. Nnyocha a bụ nke ndịzimma. Atụtụ a gbadoro ụkwụ wee mee nnyocha a bụ atụtụ amụmamụ mkpụrụụda ndịnonwe nke John Goldsmith wepụtara n'afọ 1976. Nnyocha a gosipụtara na iji atụtụ mkpụrụụda ndịnonwe atụcha ụdaolu na-ewepụta nghọta ndịnokpuru mkpụrụokwu nke na-anaghị apụta ihe na ndịnelu. Nnyocha a gakwara n'ihu igosipụta ihe mere ụdaolu ndịnonwe mkpụrụokwu ga ji efu ma ọ bụ gbanwe n'ụfọdụ usorookwu.

**Ọkpụrụkpụ okwu**: ụdaolu, mmebemusorookwu, mkpụrụụda ndịnonwe, Igbo.

## Mkpọlite

Ụdaolu bụ ndali na ndatu olu asụsụ. Asụsụ ọ bụla na-enwe mgbanwe n'olu mgbe a na-eme mkpọpụta. Nke a bụ otu ihe pụtara ihe nke ọma n'asụsụ Igbo. Asụsụ Igbo nwere ndanuusoro mkpụrụụda okwu ya, nke na-esite na mgbanwe olu e ji eme nghọta pụrụ iche. Ụdaolu gbadoro ụkwụ n'ogoolu nke na-apụta ihe n'ụdọ mkpọmụda. Ọ bụrụ n'ụdọ mkpọmụda amaa jijiji nke ukwuu mgbe a na-eme mkpọpụta, ogoolu ga-adị elu, mana ọ bụrụ na ọ maa jijiji, ụdọ mkpọmụda adị ala, ogoolu ga-adị ala. A bịa n'asụsụ ụdaolu dịka asụsụ Igbo, a na-eji ogoolu egosi ndịiche na mpụtara mkpụrụokwu. Ọ bụ ndịiche na mpụtara mkpụrụokwu a ka ndị nchọcha nyochara, site n'iji atụtụ amụmamụ mkpụrụụda ndịnonwe, wee chọpụta na e nwere ụdaolu nakwa mgbanwe ndị dị na ndịnopkuru na-anaghị apụta ihe na ndịnelu.

## Ụdaolu n'asụsụ Igbo

Ụdaolu bụ otu usorookwu pụtara ihe nke ọma n'asụsụ Igbo. Anagbọgụ na ndị ọzọ (2010) kọwara na e ji ụdaolu eme nghọta pụrụ iche n'asụsụ Igbo. Ha gakwara n'ihu ịrụtu aka na ụdaolu na-apụtakarị ihe n'ụdaume ma ọ bụ na myiriụdaume. Ya bụ na a bịa n'asụsụ Igbo, e ji ụdaolu egosipụta ndịiche n'echiche dị na mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa, nkejiokwu abụọ ma ọ bụ karịa, na ahịrịokwu abụọ ma ọ bụ karịa. Mbah na Mbah (2010) kọwara na ụdị ụdaolu atọ pụtara ihe n'asụsụ Igbo. Ụdị ụdaolu atọ ndị a bụ: ụdaolu elu, ụdaolu ala, na ụdaolu nsụda.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ na-esite na mkpụrụụdaasụsụ nsinogolu (mkpụrụụdaolu) na mkpụrụụdanke ndị a haziri nke ọma ewube mkpụrụasụsụ, mkpụrụokwu, nkebiokwu, nkebiahịrịokwu nakwa ahịrịokwu. ọ bụ nnọkwasị ụdaolu na-anọkwasị mkpụrụụdaasụsụ dịka ụdaume na myiriụdaume sikwa etu ahụ mee ka ha butenwuo mgbanwe echiche na mkpụrụ okwu ndị nwere otu nsupe mere e ji ahụta ha dịka

mkpụrụụdaasụsụ dị iche nke a mara dịka ụdaolu. E nwere ụdaolu elu na ụdaolu ala n'asụsụ Igbo. E nwekwara ụda nsụda mana ndị kacha apụta ihe bụ ụdaelu na ụdaala.

E gosipụtara ụdaolu nke ọ bụla, a kara akara n'ọmụmaatụ ya n'okpuru:

| | | | |
|---|---|---|---|
| **ụdaelu (/)** | áká | ékwé | óké |
| **ụdaala (\)** | àlà | àjà | òkè |
| **ụda nsụda (-)** | égō | ígwē | ísī |

N'asụsụ Igbo, a na-ama ọnọdụ ebe ụdansụda na-apụta ihe na mkpụrụokwu n'ihi iwu na-achịkwa nhazi na ọnọdụ ebe ọ na-apụta ihe na mkpụrụokwu. A na-ahụtakarị ya na mkpụrụokwu ma ọ bụ ọgbaraokwu naanị mgbe ọ na-agbaso nkejiokwu nwere ụdaolu elu. Ọ bụ nke a mere e ji ahụtakarị ụdansụda dịka ụdaolu nke bukarịrị ma ọ bụ tokarịa ụdaolu ala ma bụkwara nke ụdaolu ala pekarịrị. Nke a na-egosi na ọ nọ n'agbata ụdaolu elu na nke ala. N'ọnọdụ ndị ahụ ebe nzọụkwụ mgbada na-apụta, ọ na-anọchi anya ụda dị elu e wedara ala ma ọ bụ maka ụda dị ala nke e mere ka ọ dị elu. Nke a pụtara na ọ bụ naanị ihe dị elu na nke na-abụghị nke elu ka e ji akara n'okwuokwu Igbo.

Ụdaolu elu na ụdaọlu ala na-apụta ihe n'ọnọdụ ọ bụla na mkpụrụokwu mana ụdaolu nsụda bụ nke nwere ụfọdụ iwu na-egbochi nkanye ya. Ihe anyị na-eleba anya na nchọcha a bụ ọrụ ụdaolu na-arụ nye mmebemusoro okwu Igbo.

## Usoro Nchọcha na Atụtụ Njimarụ

Nchọcha a bụ nke nkọwasị. E mere nke a iji nye nkọwasị bara uru nye isiokwu anyị ji n'aka. Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ atụtụ amụmamụ mkpụrụụda ndịnonwe. Onye wubere atụtụ a bụ Goldsmith n'afọ (1996). A gbasoro atụtụ a n'ihi na ọ na-

ewebata ụdaolu na nkọwa ya. Isi sekpụ ntị nye atụtụ a bụ na ọ na-agba mbọ izipụta nkọwa tọrọ atọ nye ụda asụsụ na njirimara ụda asụsụ mgbe ọ bụla a na-atụcha asụsụ. Ugochukwu (2017) dere na ihe e ji weputara atụtụ a n'ihi na ọtụtụ asụsụ mba uwa bụ asụsụ ụdaolu tinyere na atụtụ nsiniwu enweghi ihe o kwuru gbasara ụdaolu. Njirimara atụtụ amụmamụ mkpụrụụda ndịnonwe bụ usoro ezi mmebe. Usoro ezi mmebe a nwere usoro a na-agbaso na ya iji ya wee rụọ ọrụ. Usoro ndị a bụ:

(i) ụdaume ma ọ bụ myiriụdaume ọ bụla ga-enwe o pekata mpe otu ụdaolu e jikọrọ ya na ya;
(ii) ụdaolu ọ bụla ga-enwe o pekata mpe otu ụdaume ma ọ bụ out myiriụdaume e jikọrọ ya na ya;
(iii) ụdọ mmekọrịta agaghị agafe ibe ya.
A na-agbaso usoro ogo abụọ n'ịkọwa ụdaolu n'atụtụ amụmamụ mkpụrụụda ndịnonwe. Ogo nke mbụ bụ ogo ụdaolu, ebe ogo nke abụọ bụ ogo mkpụrụedemede. Ogo ụdaolu na-egosi ụdị ogoolu pụtara ihe na mkpụrụụda ndị dị n'ogo mkpụrụedemede, ma ọ bụ ụdaolu elu, ma ọ bụ ụdaolu ala, ma ọ bụkwanụ ụdaolu nsụda.

## Ọrụ ụdaolu n'asụsụ Igbo

Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu rejista. Ikekeonwu (1999) kọwara na asụsụ ndị a na-ahụta na mba Afrịka bụ asụsụ ụdaolu rejista, ebe ogoolu anaghị esi n'ụdolu fere n'ibe ya. Ọ kọwakwara na asụsụ ndị a na-ahụta na ndịda ọwụwa anyanwụ Eshia, bụ asụsụ ụdaolu kọntọ, ebe ogoolu na-esi n'ụdaolu fere n'ibe ya. Ụdaolu na-arụ ọrụ abụọ n'asụsụ Igbo; nke bụ ọrụ kenghọta mkpụrụokwu na ọrụ kenghọta usorookwu.

## Nkọwa akara njimarụ

Na nnyocha a, akara ndebiri ndị e ji rụọ ọrụ bụ:

(i) H - ụdaolu elu;

(ii) L - ụdaolu ala;
(iii) S - ụdaolu nsụda;
(iv) Z -akara mgbubi;
(v) Ø - akara enweghi ụdaolu.

## Ụdaolu na mkpụrụokwu ndị nọrọ onwe ha

N'asụsụ Igbo, mkpụrụokwu ga na-enwe ụdaolu nke aka ha mgbe ha nọọrọ onwe ha. Nke a bụ ụdaolu na-adị na mkpụrụokwu mgbe mgbanwe na-abatabeghị na ya site na mmekọrịta ya na mkpụrụokwu ibe ya ma ọ bụ mgbanwe nke nwere ike isite n'ọnọdụ mkpụrụokwu dabanyere, kama na ọ nọọrọ onwe ya. Ebe ụdaolu na-apụta ihe na mkpụrụokwu ndị nọrọ onwe ha bụ n'ụdaume na myiriụdaume. Ịmaatụ:

**A**

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Ogo ụdaolu | H H | H H | H H | H H |
| Ogo mkpụrụedide | (i) o k e | (ii) a kw a | (iii) i s i | (iv) e k e |

**B**

| | | | | |
|---|---|---|---|---|
| Ogo ụdaolu | L H | H L | H S | H L |
| Ogo mkpụrụedide | (i) o k e | (ii) a kw a | (iii) i s i | (iv) e k e |

Site n'ihe ọmụmaatụ ndị dị n'elu, anyị ga-ahụ na mkpụrụokwu ndị nọ n'agba nke **'A'** (i - iv) na mkpụrụokwu ndị nọ n'agba nke **'B'** (i - iv), nwechaara otu ụdị nsupe mana ụdaolu ha mere ka e nwee nghọta dị iche n'etiti ha. Ya bụ n'agbanyeghi oyiyi ha na nsupe, mgbanwe olu na mkpọpụta ha webatara nghọta pụrụ iche. Ebe ọmụmaatụ: **'A'** (i) pụtara 'male', **'B'** (i) pụtara 'rat; **'A'** (ii) pụtara 'cry', ebe **'B'** (ii)


pụtara 'cloth'; **'A'** (iii) pụtara 'head', ebe **'B'** (iii) pụtara 'to cook'; **'A'** (iv) pụtara 'python', ebe **'B'** (iv) pụtara 'creator'.

**Ụdaolu n'ọrụ mmebe**


Ụdaolu ndịnonwe ụfọdụ mkpụrụokwu Igbo na-agbanwe ma ọ bụ fuo mgbe ha na mkpụrụokwu ndị ọzọ bịakọtara ọnụ na mmebe okwu. N'ebe a, anyị ga-enyocha otu ụdaolu si emetụta onwe ha ma ha bịakọọ ọnụ n'usorookwu Igbo.

N'usorookwu Igbo, e ji nsonaazụ 'rv' egosipụta tensị ndịnaazụ. Ụdaolu ndịnonwe nsonaazụ a (rv) bụ ụdaolu ala (L). Otu ahụ kwa ka ọ dị n'ebe isingwaa dị. Ọtụtụ isingwaa e nwere n'Igbo bụ ụdaolu elu (H) bụ ụdaolu ndịnonwe ha, mana nke a na-agbanwe mgbe ha na nsonaazụ (rv) bịakọtara ọnụ. Ka anyị lee anya n'ụfọdụ ọmụmaatụ ndị a:

**A**




**B**




## Mmafe ụdaolu

Mmafe ụdaolu na-adị ire mgbe nkejiokwu n'enweghi ụdaolu ndịnowe na-ewere ụdaolu nkejiokwu nke ọ na-eso ka ọ bụrụ ụdaolu ya. Ụdị ụdaolu a na-apụta ihe na nkejiokwu nsọkwunye 'kwa'. Nkejiokwu 'kwa' enweghi ụdaolu ndịnonwe kama ọ na-ewere ụdaolu dị na nkejiokwu ọ na-eso. Lee ọmụmaatụ ndị a:


**A**

(Ngosipụta ndịnokpuru)(Ngosipụta ndịnelu)




**B**

(Ngosipụta ndịnokpuru)(Ngosipụta ndịnelu)





## Ndochi ụdaolu

Ndochi ụdaolu bụ usoro ebe a na-eji ụdaolu ụtọasụsụ edochi ụdaolu ndịnonwe. Usoro a na-enwe ogoolu LH n'ụtọasụsụ ya nke na-akachapụ ụdaolu ndịnonwe ọ bụla mgbe a na-eme ndochi. Ọ bụrụ na e mechaa ndochi, naanị nkejiokwu nke ikpeazụ ga-enwe ụdaolu elu (H). Ndochi ụdaolu na-adị ire

n'asụsụ Igbo na mmebe enweobe site n'isingwaa. Lee ọmụmaatụ ndị a:

**A**


(Ngosipụta ndịnokpuru) (Ngosipụta ndịnelu)




(Isingwaa) (Nsonaazụ)

**B**

(Ngosipụta ndịnokpuru )(Ngosipụta ndịnelu)





(Isingwaa) (Nsonaazụ)

## Ụdaolu n'ahịrịokwu

Ụdaolu na-arụ ọrụ igosipụta ndịiche dị n'etiti ahịrịnkwusara, ahịrịajụjụ na ahịrịọnọdụ n'asụsụ Igbo.. Nke a na-enye aka ewepụta nghọta pụrụ iche n'ụtọasụsụ Igbo. Lee ọmụmaatụ ndị a:

**A** **B** **CH**

(Ahịrịnkwusa) (Ahịrịajụjụ)(Ahịrịọnọdụ)




Site n'ọmụmaatụ dị n'elu, anyị hụrụ ka ogoolu si wepụta ndịiche dị n'etiti ahịrị 'A', 'B' na 'CH' n'agbanyeghi na ha yiri onwe ha.

## Nchịkọta

Na nnyocha a, anyị egosipụtala na iji atụtụ amụmamụ mkpụrụụda ndịnonwe akọwa ma ọ bụ enyocha ụdaolu n'asụsụ Igbo na-eme ka ihe niile gbasara akparamagwa ụdaolu na ka o si arụ ọrụ pụta ihe nke ọma. Usoro a na-eme ka a ghọtachaa ụdaolu otu ọ dị ma n'agwara ndịnokpuru ma n'agwara ndịnelu usorookwu.

## Edensibịa


Anagbogu, Philip, Mbah, Boniface, & Eme, Cecilia. 2001. *Introduction to Linguistics.* Awka: J.F.C Press.

Goldsmith, John. 1979. *Autosegmental phonology.* New York: Garland.

Ikekeonwu, Clara, Ezikeojiaku, Philip, Ubani, Anosike, & Ugoji, Jimbo (1999). *Fọnọlọji na grama igbo.* Ibadan: University Press.

Mbah, Bo niface, & Mbah, Evelyn. 2014. *Topics in Phonetics and Phonology: Contributions from Igbo.* Nsukka: AP Eụpress Publisher.